# IGBO CATHOLIC COMMUNITY (ICC) OF NEW YORK,

# AT ANGELA MERICI PARISH, BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 5TH SUNDAY OF LENT (YEAR A)

## SUNDAY, MARCH 26, 2023

**HYMNS:**

**ENTRANCE:** OKWU NKASI OBI (WELITE ANYA)
**OFFERTORY:** WETANU IHE ONYINYE DI MMA….
**CONSECRATION:** EZI CHUKWU NARA AJA
**COMMUNION:** CHINEKE GBAGHARA
**POST COMMUNION:** ONYE NJO KA M BU,BIKO GBAGHARA
**DISMISSAL:** CHETA N'IGA AZA AJUJU NDIA

## EKPERE MMEGHE

Dinwenu, Chineke anyi, Nwa Gi huru uwa n'anya nke ukwuu nke na O weere onwe Ya nye n'onwu iji gbaputa uwa. Biko, nyere anyi aka ka anyi were udi ihunanya ahu na-aga njem anyi n'uwa a. Site n'Onyenweanyi.

## IHE OGUGU NKE MBU e wetara n'Akwukwo onye Amuma Izikel 37:12-14

Onyenweanyi kwuru si: "Ugbu a, ana M aga imeghe ala ili unu. Ndi nke M, ihe M bu n'obi bu isi n'ala ili unu kulite unu, biakwa dughachi unu azu n'ala Izrel. Ndi nke M, unu ga-amata na abu M Oseburuwa, mgbe M meghere ala ili unu biakwa si n'ala ili kulite unu. Aga M etinyekwa mmuo M n'ime unu; unu ewere bia di ndu. Aga M emekwa ka unu gaa birikwa n'ala unu ozo. Unu ga-amatakwa na Mu onwe M bu Dinwenu, bu Okaa Omee. O bu ihe a ka Onyenweanyi kwuru.

Okwu nke Oseburuwa

Ekele diri Chukwu.

## ABUOMA NA AZIZA YA

**Aziza:** N'Aka Oseburuwa ka ebere n'uju nke Nzoputa di.

1. Onynweanyi, site n'ime mmiri miri emi ka m si akpoku Gi. Onyenweanyi, nuru olu m. Biko too nti n'ala nuru olu akwa m ji ario Gi aririo. Aziza
2. Onyenweanyi, o buru na I huwachaa mmehie anyi ama, Onyenweanyi o bu onye ga-afo? Ma n'ebe I no ka a na-achota mgbeghara. N'ihi ya ka anyi ji akporo Gi isi ala. Aziza
3. Mkpuruobi m na-eche Onyenweanyi. Atukwasara m obi 'okwu Ya. Mkpuruobi m na-acho Onyenweanyi karia otu onye nche abali si eche chi obubo. Ka onye nche abali chewe chi obubo, ma Izrel chewe Onyenweanyi. Aziza

## IHE OGUGU NKE ABUO e wetara n'akwukwo ozi Pol di aso degaara ndi Rom 8:8-11

***Isi Okwu: Mmuo nke Onye ahu kulitere Jesu n'onwu bi n'ime unu***

Ndi na-ebi ndu irubere anu ahu isi apughi ime ihe na-amasi Chineke. Ma otu o di, unu onwe unu anaghizi adi ndu di ka anu ahu si choo. Kama unu na-adi ndu di ka Mmuo Nso si choo, ma o buru na Mmuo nke Chineke na-ebi n'ime unu n'eziokwu. N'ihi na onye o bula na-enweghi Mmuo nke Kristi abughi onye nke Ya. Ma o buru na Kristi bi n'ime unu, o bu ezie n'ahu unu nwuru anwu n'ihi mmehie, ma Mmuo Nso ga-enye unu ndu, n'ihi na Chineke agunyela unu na ndi ezi omume. O buru na Mmuo nke Chineke, Onye ahu mere ka Jesu si n'onwu bilie, bi n'ime unu, Onye ahu mere ka Kristi si n'onwu bilie, ga-esitekwa n'aka Mmuo Nso Ya nke bi n'ime unu, mee ka ahu unu nke puru inwu anwu di ndu.

Okwu nke Oseburuwa

Ekele diri Chukwu

## MBEKU

Onyenweanyi kwuru si: "Abu M mbilite n'onwu na ndu. Onye o bula kwere na M agaghi anwu ma oli."




